# Nnyocha ekwumekwu mgbanwe ndị All Progressive Congress (APC) site n'ịgbado ụkwụ n'atụmatụ nnyocha ụbụbo kempụrụiche

**Ahamefula, N.O., Aboh, S.C.**
*Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ,*
*Mahadum Naịjirịa, Nsụka*
ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng

**Onwuegbuchunam, M.O.**
*Ngalaba Lingwistiiks, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*

**Odii, B.C.** & **Ezekiel, J. C.**
*Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ,*
*Mahadum Naịjirịa, Nsụka*

**Ụmị**
Ntụli aka elu e mere na Naịjirịa n'afọ 2015 webatara APC n'ọchịchị. Tupu e mee ntụli aka elu ahụ, otu ndọrọ-ndọrọ ọchịchị APC, mgbe ha na-achụ nta vootu kwere nkwa iwete mgbanwe n'ihe niile. Ihe na-edochaghị anya bụ ma okwu mgbanwe a ọ bụ n'ụdị nke ọma ya ka ọ bụ njọ. O ruola ihe dị ka ọnwa iri na anọ kemgbe APC banyere n'ọchịchị, ajụjụ bụ ịmata n'ogo ole APC mezuru nkwa mgbanwe. Oke nchọcha a bụ n'akụkụ akụnụba Naịjirịa iji mata etu mgbanwe a si apụta ihe. Site n'ihe na-eme n'obodo, ilebanye anya n'ekwumekwu mgbanwe a dị mkpa. E ji atụmatụ nnyocha ụbụbọ kempụrụiche (NỤK) wee rụọ ọrụ na nchọcha a. Nchọcha a lebanyere anya n'ọfọdụ okwu Buhari kwuru mgbe ọ na-achụ nta vootu ebe ọ nọ wee kwuputa mperi ọchịchị PDP riri nke ọ gbadoro ụkwụ na ha na-ekwu na Naịjirịa chọrọ mgbanwe. Nchọcha a chọpụtara na mgbanwe e kwere ndị Naịjirịa na nkwa na-apụta ihe n'ụzọ dị njọ karịa n'ụzọ dị mma. A chọpụtara na ọnọdụ akụnụba adịghị etu ọ dị na mbụ. Mmezu nkwa nke ime ka otu dọla bụrụ otu naịra anaghị apụta ihe. Ọnụ ego ngwa ahịa na ihe a na-eri eri nọ n'elu ọjị. Nchọcha chịkọtara na mgbanwe na-apụta ihe n'ụzọ dị njọ nke na e kwesiri ime ihe ga-akwalite ọnọdụ akụnụba Naịjirịa.
***Ọkpụrụkpụ okwu***: *ntụli aka elu, akụnụba Naịjirịa, okwu mgbanwe, APC, NỤK*

**Abstract**
The concluded 2015 general elections brought APC to power. Prior to the election, the party, during the electioneering period were canvassing for change in all aspects. What was not clear was if the change mantra slogan was for positivity or negativity. It is barely 14 months since APC emerged as the ruling party; the question is to what extent has the ruling party delivered the promised 'change?' Limiting the scope of the paper to the economic sector of Nigeria, this paper looks at the manifestations of this change. Following the happenings in the country, an assessment of this slogan becomes pertinent. It employs the Critical Discourse Analysis (CDA) theory for its analysis. With the framework of CDA, this paper examines some of the speeches of Buhari during the electioneering period where he identified the flaws of the PDP government which formed the basis of the change mantra. The research finds out that the change that was promised Nigerians are manifesting more negatively than positively. The economy is in shambles. The actualisation of the campaign promise of equating dollar with naira is not forthcoming. Prices of goods and commodities are on the high increase. The paper concludes that the change is moving towards the negative direction and something fast needs to be done to resuscitate the dwindling economy.
***Keywords:*** *elections, the Nigerian economy, change mantra, APC, CDA*

## Mkpọlite

Naịjirịa bụ obodo e nwere ọchịchị onye kwuo uche ya kemgbe 1999. Site na 1999 ruo Mee 2015, PDP na-achị ruo na 29 Mee 2015 oge APC bidoro chịwa ka ha merichara na ntụli aka elu e mere na Maachị 28. Dị ka otu ndọrọ-ndọrọ ọchịchị ọ bụla si nwee okwu e jiri mara ha, okwu e jiri mara APC bụ mgbanwe. Okwu a sitere na nkwenye na PDP emeghi ihe a tụrụ anya n'aka ha. Ya mere, Naịjirịa chọrọ mgbanwe n'etu e si eme ihe. Site

n'ikwenye na nkwa onye APC wepụtara maka ịzọ ọkwa onye isi ala, Muhammadu Buhari kwere mgbe ọ na-achụ nta vootu; ndị mmadụ nabatara echiche mgbanwe ha. Ọ bụ nke a mere o jiri merie Goodluck Jonathan onye zọrọ n'okpuru otu PDP.

Ihe a bụ ọnwa iri na ise kemgbe APC banyere n'ọchịchị site n'aka Muhammadu Buhari onye bụbu onye isi ala n'oge ndị agha na-achị n'afọ 1983. Ụdịrị mgbanwe APC chọrọ iwete dị ka o si pụta ihe n'okwu achụmụnta vootu Buhari, ogo ha mezurula nkwa a na ebe mgbanwe a na-eche ihu bụ ihe ndị a chọrọ ilebanye anya n'akwụkwọ a. Iji wetulata oke nchọcha a, nchọcha ga-agbado ụkwụ na ngalaba akụnụba Naịjirịa. Nke a ga-enyere ndị Naịjirịa aka ịmata ma APC ọ na-ebupu nsogbu ndị Naịjirịa ka ha na-eme ya ka ọ kawanye njọ.

Ya bụ, ihe nchọcha a ga-elebanye anya na ya kpọmkwem bụ:

a. Ilebanye anya etu ekwumekwu mgbanwe siri mee ka ndị APC banye n'ọchịchị; na
b. Ịchọpụta ma ọ bụ ihe APC kwuru na ha ga-agbanwe ka ha na-agbanwe.

A bịa n'usoro nchọcha a, ndị ọchọcha na-agbaso usoro nkọwa na iji atụmatụ nnyocha ụbụbọ kempụrụiche ilebanye anya n'isi okwu nchọcha. Data e ji rụọ ọrụ si n'akwụkwọ akụkọ ndị nọ n'ịntanet. Dị ka ihe siri gbata kwụrụ n'obodo sokwa nyekwuo nkọwa etu ihe si agbanwe n'obodo. Ọ bụ ihe ndị a nyere aka n'ịhụ na e mere nkọwa dị mma. Nchọcha a ga-aba uru n'ihi na ọ ga-ewelitekwu ọnụ ọgụ nchọcha e ji atụmatụ nnyocha ụbụbọ kempụrụiche mee. Ọ ga-enyekwa aka kọwapụta etu e nwere ike isi were ekwumekwu nwete ikike ọchịchị. N'aka nke ọzọ, ọ ga-egosi na okwu ọnụ na akparamagwa na-agakọrịta. Ọ bụrụ na mmadụ kwuo okwu, a ga na-atụ anya ka o gosipụta ya n'omume n'ihi na e ji okwu arụ ọrụ; okwu bụkwa ọrụ n'onwe ya.

Ọnọdụ ndọrọ-ndorọ ọchịchị Naịjirịa

Naịjirịa bụ obodo nwere onye isi ala. O nwere ngalaba atọ: nke etiti, steeti, na okpuru ọchịchị. Onye isi ala na ndị nnyemaka ya (mịnịsta) na-achịkwa gọmenti etiti; ndị gọvanọ na kọmishọna na-achị gọmenti steeti ebe ndị isi oche na ndị kaunselọ na-achị okpuru ọchịchị. Onye isi ala na-ahụ maka mpaghara Naịjirịa niile. Ọzọkwa, Naịjirịa nwere alaka atọ nke gọmenti: ndị ezekutiv, ndị legislechọ, na ndị judishịarị. Ọrụ ndị ezekutiv bụ itinye iwu na atụmatụ niile n'orụ, nke ndị legislechọ bụ imebe iwu ebe judishịarị bụ olile anya ikpe azụ nke mmadụ ọ bụla. Onye isi ala, ndị gọvanọ, ndị omebe iwu na ndị kọmishọna na-enwete ikikere site n'ituru ugo na ntụli aka elu.

Kwaghga (2012:65) kọwara ntụli aka elu dị ka usoro a haziri ahazi maka ịhọpụta ndị ọrụ gọmenti nke ọtụtụ ndị n'obodo na-eme. Ọ gara n'ihu ikwu na ntụli aka elu na-enye ndị obodo ikikere ịhọrọ onye dị ha mma na onye ga-elekọta ha anya nke ọma. N'otu aka ahụ, Eminue (2011) kwuru na ntụli aka elu nke ọchịchị onye kwuo uche ya bụ nke na-enye ndị na-atụ vootu ohere ịhọrọ onye isi dị ha mma na-enweghi nkwanye ma ọ bụ mwakpo anya ọ bụla. Ihe ndị odee a na-eme ka anyị mara bụ na isonye na ntụli aka elu so n'ikikere ndị obodo nwere n'obodo ọchịchị onye kwuo uche ya. Ọzọkwa, ọ bụghị mmadụ niile na-esonye na ntụli aka elu kama ọ bụ naanị ndị mezuru ihe a tụrụ anya. Ụfọdụ ihe ndị a tụrụ anya bụ ndebanye aha n'oge e kwuru, nnweta akwụkwọ e ji atụ vootu, iru afọ iri na asatọ, ịbụ nwa afọ nke obodo dgz. Ya mere, e nwere ike ịkọwa ntụli aka elu dị ka emereme ndọrọ-ndorọ ọchịchị nke otu na-ahụ maka ntụli aka elu haziri ma nwete nkwado n'aka ndị gọmenti nke ndị na-atụ vootu na-esite na ya họpụta ndị ga-anọchite anya ha n'ihe dị ka afọ anọ ma ọ bụ karịa.

Naịjirịa, dị ka obodo ọchịchị onye kwuo uche ya, nwere ọtụtụ otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị. Otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị ndị a na-ewepụta onye ga-eji aha ha zọọ ọkwa ọchịchị nke na-ewerekarị ọnọdụ kwa afọ anọ ọ bụla. Ya bụ, onye ọ bụla a họbatara n'ọchịchị nwere

afọ anọ ịnọ n'oche ọchịchị ahụ. O nwezikwara ohere imezu ya afọ asatọ ma ọ bụrụ na o merie na ntụli aka elu ọzọ a ga-eme ka afọ mbụ ya gachara.

Na Naịjirịa, ntụli aka elu izugbe ikpe azụ e mere bụ na Maachị 28/29 na Eprel 11. Maachị 28 na 29 bụ ụbọchị a họbatara onye isi ala na ndị omebe iwu etiti ebe ntụli aka elu ndị gọvanọ, ndị isi okpuru ọchịchị weere ọnọdụ na Eprel 11. Ọ bụ na ntụli aka elu a ka a nọ họpụta Muhammadu Buharị dị ka onye isi ala n'okpuru otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị APC. Ọ bụ ihe ndị a na ihe ndị ọzọ mejuputara ọnọdụ ndọrọ-ndorọ ọchịchị Naịjirịa.

APC dị ka otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị

All Progressive Congress (APC) bụ otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị dị na Naịjirịa nke e hiwere mgbe ọnwa Febụwarị gbara mkpụrụ ụbọchị isii n'afọ 2013 na nkwadowe ntụli aka elu 2015 (PM News, 2013). Agomuo (2013) kwuru na otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị a bụ mbịakọta ọnụ otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị atọ gbara ọkpụrụkpụ: *Action Congress of Nigeria (ACN), The Congress for Progressive Change (CPC), All Nigeria's Peoples Party (ANPP),* na akụkụ *All Progressives Grand Alliance* (APGA). Ha bịakọtara ọnụ ka ha *Peoples' Democratic Party* (PDP) chịpụ ya. N'aka nke ọzọ, Agbakwuru (2013) kwuru na ndị binyere aka n'akwụkwọ mkpebi a bụ Tom Ikimi, onye nọchitere anya CAN; Sịnatọ Annie Okonkwo n'aha ndị APGA; gọvanọ chiburu steeti Kano Mallam Ibrahim Shekarau, onye isi otu mkpokọta ANPP; na Garba Shehu onye isi otu mkpokọta CPC. Ihe ịtụnanya pụtara ihe dị ka Agbakwuru siri kwuo bụ na ihe na-erubeghi afọ abụọ tupu otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị a emerie na ntụli aka elu 2015, Annie Okonkwo, Tom Ikimi na Ibrahim Shekarau esila n'APC pụọ wee banye PDP.

Agbakwuru (2013) gara n'ihu ikwu na otu a nwetere ikike ịrụ ọrụ n'aka ndị *Independent National Electoral Commission (INEC)* n'ụbọchị ikpe azụ n'ọnwa Julaị n'afọ 2013. Nke a mere ka a napụ ACN, CPC, na ANPP ikike ịrụ ọrụ dị ka otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị. Ka o sila dị, na ntụli aka elu izugbe 2015, APC tuuru ugo dị ka otu ndọrọ-ndorọ ọchịchị na-achị ozugbo e kwuputara na ọ bụ Muhammadu Buhari meriri na ntụli aka elu onye isi ala e mere na Maachị 28, 2015.

Site n'okwu onye isi otu APC John Odigie Oyegun kwuru na Septemba 2014, o kwuputara ebumnuche APC. O kwuru na APC bu n'uche ịkwalite ụkpụrụ gbadoro ụkwụ na mkpa ọ dị ime ka ndị Naịjirịa rụkọọ ọrụ ọnụ iji mezuo akaraka ha dị ka otu obodo. Ọ gara n'ihu ịkọwa na APC na-agbado ụkwụ n'ọkpụrụkpụ ihe isii: nchekwa obodo, ezigbo ọchịchị, nkwalite ọrụ mmadụ, ala na akụ nsinachi, na atụmatụ metụtara mba ofesi. N'okwu ya, APC na-ekwe nkwa inwe ntụli aka elu na-enweghị mpụ n'ogo ọ bụla, ịkwanyere iwu ugwu, ịkwalite ikpe nkwụmọtọ megide mpụ. O kwukwara na APC na-ekwe nkwa ịkwalite ezigbo obibi ndụ, inwe ezigbo nri na ahụ ike. Ọzọkwa bụ ịhụ na e nwere ezigbo agụmakwụkwọ bụ ịgba n'ogo ọ bụla ma gbakwaa mbọ ime ka ọtụtụ ndị Naịjirịa nwee ọrụ aka nke so n'atụmatụ nkwalite akụnụba. Nkwa ndị a metụtakwara atụmatụ maka nkwalite ndị ntorobịa, egwuregwu na ime ka ndị mmadụ nwee nchekwa.

Nkwa ndị APC metụtakwara atụmatụ na ụkpụrụ ịkwalite ọnọdụ akụnụba site n'ichekwa na iwulite ọnọdọ onyinye ọkụ latrik na njem. Nkwa ndị a na okwu Buhari kwuru mgbe ọ na-achụ nta vootu dabeere n'ịkwalite ọnọdụ akụnụba Naịjirịa, ịchụ mpụ ukwu eru ala na ime ka Naịjirịa dị mma obibi. Nkwa ndị a niile bụ ihe ha kwenyere na ọ ga-enye aka wete mgbanwe na Naịjirịa.

Ka e mechara ntụli aka elu, Buhari kwuru okwu n'ụbọchị dayaspọra n'isi okwu nke na-ekwu maka ebumnuche mgbanwe Naịjirịa na dayaspọra. Ebe ahụ ka ọ nọ kwuo na ọchịchị ya na-ewu Naịjirịa ọhụrụ nke chọrọ nkwado na nsonye ndị Naịjirịa ma ndị nọ n'ụlọ ma ndị nọ na mba ofesi. O kwukwara na ọchịchị ya ga-ehibe ọtụtụ atụmatụ ọha ndị ga-egbo nsogbu ndị ogbenye nọ na Naịjirịa. Nke a ga-esite n'ime ka a na-akọ osikapa, ọka na ihe ndị ọzọ n'ebe ọ dị ukwuu.

Bido mgbe emebeghi ntụli aka elu na mgbe e mechara ya, ndị otu APC na-ekwu mgbanwe ugboro ugboro. Echiche ha bụ na ihe niile nọ na Naịjirịa adịghị etu a chọrọ ha, ya mere o ji kwesi ekwesi ka a gabnweee ha. Ngalaba akụnụba, ọchịchị na agụmakwụkwọ choro mgbanwe. Ha gụpụtara ihe niile na-adịghị mma n'obodo wee kwe nkwa na ha ga-ewete mgbanwe. Atụmatụ mgbanwe nke e ji nwete ikikere na etu o si apụta ihe na Naịjirịa bụ ihe a ga-eji atụmatụ nnyocha kempụrụiche wee tụchaa.

**Nkọwa Nnyocha Ụbụbọ Kempụrụiche**

Otu n'ime atụmatụ e ji enyocha ụbụbọ/mkparịta ụka bụ nnyocha ụbụbọ kempụrụiche (NỤK). NỤK na-elebanye anya n'okwu iji chọpụta ndịna ike ọha dị n'ime okwu. Etu ndị mmadụ si eji asụsụ enwete ike na ịchịkwa mmadụ so n'ihe NỤK na-ahụ maka ya. Idiagbon (2010) kọwapụtara na agbamụmbọ nchọcha Norman Fairclough, Gunther Kress, Roger Fowler, Teun van Dijk, Ruth Wodak, Sara Mills na Michael Toolan, na ndị ọzọ mere NỤK ihe ọ bụ.

Cuttings (2002) kwuru na NỤK na-ahụ maka etu asụsụ si egosiputa ogo mmadụ n'obodo na di ka akọrọngwa ike nke e ji achịkwa mmadụ. Fairclough (1992) kwuru na ihe mere NỤK ji pụọ iche n'ụdịrị nnyocha ụbụbọ ndị ozọ bụ maka na ọ na-elebanyemi anya n'okwu. Nlebanyemi anya a pụtara igosi myiri na mkpatara okwu zoro ezo. N'otu aka ahụ, Idiagbon (2010:33) chọpụtara na NỤK abụghị naanị maka ndọrọ ndorọ ọchichị, ọ gafere ya. Ọ na-atụcha ụbụbọ site n'ịgbado ụkwụ n'ọnọdụ echiche, otu na akụkọ ala nke ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ agaghị achọpụtanwu. Ya mere, ederede ọ bụla nwere nghọta 'nzuzo' dị n'ime ya. Ndị na-eji NỤK arụ ọrụ na-adọ aka na ntị ka a gụọ ederede nke ọma ma ọ bụ gee ntị nke ọma iji gbaa nghọta nzuzo ndị a n'anwụ. Nke a ka a ga-eme site n'ilezi anya n'agwara lingwistiiks na ihe ndị ọzọ nke ụbụbọ na mmetụta obodo na onye ji ya arụ ọrụ. E nwere ike iji NỤK n'ụbụbọ ọ bụla metụtara asụsụ - ndọrọ-ndorọ ọchịchị, ụlọ ọrụ mgbasa ozi, mgbasa ozi ahịa, iwu, na agụmakwụkwọ.

A ga-ahụ na NỤK na-elebanye anya n'ụbụbọ iji kpughee nghọta nzuzo dị na ya. Ọzọkwa, NỤK na-elebanye anya n'ụbụbọ iji kpughee ebumnuche okwuu. Fairclough na Wodak (1997:271-80) chịkọtara isi sekpụ ntị nke NỤK dị ka nke na-elebanye anya na nsogbu obodo; okwu gbasara ike abụghị egwu a chị ụtaba n'aka agba, ụbụbọ gunyere obodo na omenala, ụbụbọ na-arụ ọrụ echiche, ụbụbọ bụ keakụkọ-ala, a na-ewete myiri dị n'etiti ederede na obodo, ntụcha ụbụbọ na-akọwa ihe nke ọma, ụbụbọ so n'otu emereme obodo.

N'ebe van Dijk (2000) nọ, NỤK bụ ụdịrị nchọcha nnyocha ụbụbọ nke na-amụ kpọmkwem etu e si emebi ikike obodo, ọchịchị, iweta akpamoke n'ọnọdụ obodo na ndọrọndọrọ ọchịchị. O gara n'ihu ikwu na ndị na-eji NỤK arụ ọrụ anaghị ezo ihe ọ bụla kama ha na-ekpughe ihe niile ma jụ akpamoke n'obodo.

Agbedo (2015) kwuru na ọ bụ ihe doro anya na NỤK bụ ngalaba nnyocha ụbụbọ na-atụle mmetụta dị n'etiti ụbubọ na ike. Ya mere, NỤK bụ akọrọngwa pụrụ iche na-enyocha ụbụbọ maka ịgba n'anwụ ihe nzuzo ọ bụla, ọnọdụ ahaghị n'otu, ụbụbọ ndọrọ-ndorọ ọchịchị, ụbụbọ ụlọ ọrụ mgbasa ozi. N'ihi nke a, nchọcha a na-elebanye anya n'ekwumekwu mgbanwe APC ji rụọ ọrụ mgbe ha na-achụ nta vootu maka ntụli aka elu Naịjirịa 2015 nke nyere aka na mmeri ha meriri. N'ime nke a, anyị ga-elebanye anya etu ekwumekwu mgbanwe siri nyere APC aka inweta ikike na mpụtara ikikere a.

Ntụcha ekwumekwu mgbanwe APC

Dị ka e si kwuputa n'elu na NỤK na-enyocha mmetụta dị n'etiti ụbụbọ na ikike, nke a pụtara ihe n'ekwumekwu mgbanwe APC. Iji hụ na ha nwetere ike, ha weere isi okwu 'mgbanwe' nke ha ji nweta obi ndị mmadụ ịtụnyere ha na ntụli aka elu izugbe 2015. Nke a sitere n'echiche na PDP arụghị ọrụ etu e kwesiri, ogbugbo nye nsogbu a na-enwe na

Naịjirịa ga-esite n'aka ha (APC). Na nkwado echiche a, Muhammadu Buhari n'okwu ya mgbe o kwuputara mmasị ya ịzọ ọkwa ọchịchị onye is ala sịrị na ọtụtụ nde ndị mmadụ nọ n'ụbịam; ha ahụghị tụrụ rachaa. Ọ gara n'ihu ikwu na ọtụtụ ndị mmadụ bi n'ụjọ kemgbe PDP na-edubanye obodo anyị n'ọdịda. O kwukwara na ndị ọrụ gọmenti izu ohi na ịchị ruo mgbe ebighi ebi bụ ihe a na-ahụ. Okwu a o kwuru bụ igosi ndị mmadụ o nwebeghị ezigbo ihe PDP rụpụtarala kemgbe afọ iri na isii ha nọ n'ọchịchị. Okwu ya gara n'ihu ịkọwapụta erughi eru na ieh mkpọbi ụkwụ ọchịchị PDP nwere. Ebe a ka ọ nọ wee kwuo na APC ga-akwalite ngalaba akụnụba Naịjirịa. Nke a ka ha ga-eme site n'iji ego a natara ndị zuru ego Naịjirịa wee timyere n'atụmatụ metụtara agụmakwụkwọ, ahụ ike na inye ndị na-enweghi ọrụ ọrụ.

Nkwa iwete mgbanwe na ibupu ibu arọ ndị Naịjirịa bụ ihe mere ka ndị Naịjịrị tụnyere ha. Ka o sila dị, ekwumekwu mgbanwe weteere ndị APC ihe ha chọrọ n'ihi na o nyere ha mmeri na ntụli aka elu ahụ. NỤK na-atụlekwa ihe metụtara obodo. Etu ọ dị, ebe ọ bụ na ụbụbọ nke ekwumekwu mgbanwe ewebatala APC n'ọkwa ọchịchị, nnyocha mmetụta ekwumekwu mgbanwe a n'akụnụba Naịjirịa dị ezigbo mkpa.

Ndị Naịjirịa nabatara echiche mgbanweAPC jiri bịa. Ihe a bụ ọnwa iri na ise kemgbe onye isi ala Buhari banyere n'ọchịchị. Ojomoyela (2015) kwuputara na Sịnatọ Biodun Olujimi kọwara ekwumekwu mgbanwe APC dị ka ihe na-enweghi isi, nke pụtara na enweghi ezigbo mgbanwe werela ọnọdụ na Naịjirịa kemgbe ọnwa isii Buharị banyere n'ọchịchị. N'otu aka ahụ, Olujimi bụ onye na-anọchite anya mpaghara ọdịda anyanwụ Sinet Ekiti, gbakwunyere na obi erubeghi ndị Naịjirịa ala kemgbe Buhari malitere chịwa. O kwukwara na ekwumekwu mgbanwe ndị APC bụ akọrọngwa nnọọ e ji nweta vootu na ntụli aka elu izugbe 2015.

N'ịga n'ihu, Agbakwuru (2015) kọwaputara na Gọvanọ Ekiti, Mz. Ayodele Fayose, kwuru na n'ọchịcchị e nwere ugbu a, olile anya ndị ọrụ adịghịzi n'ihi na ndị APC na-akpa nkata iwetu ụgwọ ọnwa ndị ọrụ ma chụkwaa ụfọdụ ndị ọrụ. N'ọchịchị Muhammadu Buhari, ọtụtụ ụlọ ọrụ na-achụ ndị ọrụ ebe ndị na-arụrụ gọmenti etiti ọrụ ahapụla ebe ọrụ ha; nke a metụtara akụnụba Naịjirịa (Agbakwuru, 2015).

N'otu aka ahụ, ọnụ ahịa ngwa ahia na ihe ndị ọzọ na-arị kwa ụbọchi. Ọ na-ahịazi ndị mmadụ ahụ izu ihe oriri n'ahịa. Otu akpa osikapa a na-erebu ₦7,000 na-achụzi puku iri abụọ. Ọnụ ego mmanụ ụgbọ alamọbu na naịra iri itoolu na asaa buzi ₦145. Otu lita karazin a na-erebu ₦100 ma ọ bụ ₦110 buzi ₦210. Obodo a ma ama n'Afrịka na-agbadazi. N'aka nke ọzọ, APC kwere nkwa na ha ga-eme otu naịra ka ọ bụru otu dọla. Mana ugbu a, otu dola bụzi ₦470.

Informationblog (2015) chịkọtara ọnọdụ akụnụba Naịjirịa dị ka ihe na-akawanye njọ. Ego a na-enwete na mmanụ esila na otu narị dọla na iri ise gbadata n'iri anọ. Ọ gara n'ihu ikwu na Gross Domestic Product esila na 4.2% gbadata na 26% na mpaghara 2015. A ga-echeta na ngalaba akụnụba n'ọchịchị GEJ mere ka GDP ruo n'ogo 5-7%. N'ịga n'ihu, a ga-echeta na mgbe GEJ na-achị, Naịjirịa gbara onye nke iri abụọ na isii n'obodo nwere ezigbo akụnụba mana ugbu a, ihe na-amaghị wee kwụrụ. Ọrụ adịghị tinyekwara na emezubeghi nkwa e kwere. Ụgwọ okụ latrik na-arịkwa ibe ya elu.

Site n'ọnụ onye ndụmọdụ onye isi ala n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi, Mallam Garba Shehu, dị ka Nwabughiogu (2016) siri kwuo, onye is ala zara ajụjụ, "Ọ bụ ihe a bụ mgbanwe anyị tụnyeere?" Ọ sịrị ee na ọ bụ ya mana ndị nkọcha na-echefu mbọ a gbarala ikpochapụ ihe ọjọọ ọchịchị PDP wetere. Ọ gara n'ihu ikwu na nkọcha ọjọọ a na-akọcha ọchịchị Buhari ọkachasị n'ọrịrị ọnụ ego ihe oriri bụ ihe e kwesiri ilebanye anya na ya tupu o kpuchie ọrụ ọma Buhari na-arụ n'ịchụ mpụ na nkwafu ọbara ụkwụ eru ala. Ihe e nwere ike ịhụ n'okwu a dị n'elu abụghị ihe ọzọ belụsọ nchekwa ugwu onwe. Mgbanwe n'akụkụ akụnụba anaghị aga n'ụzọ dị mma. Ọ bụrụ na e meghi ihe ọsọọsọ, nsogbu ga-arị ibe ya elu,

**Mmechi**

Nchọcha a elebanyela anya n'ekwumekwu mgbanwe APC na mmetụta ya n'akụnụba Naịjirịa kemgbe APC banyere n'ọchịchị. Nchọcha chọpụtara na mgbanwe na-apụta ihe n'ọnọdụ dị njọ n'ihi na ọnụ ego ihe oriri, mmanụ na-arị kwa ụbọchị tinyekwara mwetu ugwu naịra nke na-ebuda ngalaba akụnụba Naịjirịa. Nsị dị ọkụ ọkụ kwesiri ka a nyụo ya ọkụ ọkụ. Nchọcha tụnyere ala na ezigbo atụmatụ gbasara akụnuba ga-enye aka iweghachị akụnụba Naijirịa n'ụzọ ziri ezi bụ ihe e kwesiri ịtụpụta ma tinyekwa n'ọrụ. Ya bụ, e kwesiri ịkwụ ndị orụ ụgwọ n'oge ka o wee jalie mmụọ ha ịrụ ọrụ.

**Akwụkwọ nrụtụ aka**


Abiodun (2015). 'Prospects for democratic consolidation in Africa: Nigeria's transition.' Retrievable from www.vanguardngr.com/2015/02/chatham-house-buharis-speech-on-nigerias-transition/

Agbakwuru, J. (2015). 'Nigerians yet to feel Buhari's change mantra'. Retrieved from http://www.vanguard.com on 20/02/2016.

Agbedo, C. U. (2015). *General linguistics: Historical and comparative perspectives.* Nsukka: KUMCEE Ltd.

Agomuo, Z. (February 11, 2013). Possible risks in opposition merger ahead 2015. *Business Daily*. Retrieved from businessdaily.com on 15/02/2016.

Cuttings, J. (2002). *Pragmatics and discourse*. London: Rotuledge.

Dailypost (2014). Full text of Buhari's speech at his formal declaration at his formal declaration for presidency. [www.dailypost.ng/2014/10/15/full-text-buharis-speech-formal-declaration-presidency/].

Eminue, O. (2001). *Introduction to political science (2nd Ed.)*. Calabar: Cats Publishers.

Fairclough, N. L. and Wodak, R. (1997). 'Critical discourse analysis' In T. A. Van Dijk (Ed.) *Discourse Studies. A Multidisciplinary Introduction* (pp. 258-284). London: Sage.

Fairclough, N. (1992). *Discourse and social change.* Cambridge. Polity Print.

Idiagbon, M.S. (2010). 'Language use in selected Nigerian presidential election campaign speeches: A Critical Discourse Analysis perspective'. *Journal of the Nigeria English* Studies Association (JNESA), 13(2), 30-44.

Information blog (2015). A continuous assessment of Buhari's administration. Retrieved from http://www.informantblog.com/2015/09/continous-interim-assessment-of-nigeria--president-muhammadu-buhari.html on 27/08/2016.

Kwaghga, B. (2012). Good governance and credible elections in Nigeria'. *Journal of Social Science and Public Policy*, 4, 65-72.

Nwabughiogu, L. (2016). Economy: Criticism against Buhari's government, unfair- Presidency. Retrieved from http://www.vanguardngr.com/2016/08/economy-buhari-committed-inventing-new-prosperous-nigeria-presidency/ on 25/08/2016.

Ojomoyela, R. (2015). 'Olujimi decides APC's change mantra'. Retrieved from www.vanguard.com/2015/12/olujimi-decides-apcs-change-mantra on 18/02/2016.

The merger this time! (February 13, 2013). *PmNews*. Retrieved from www.pmnews.com on 14/02/2016.

van Dijk, T. (2010). Discourse and power. *Journal of sociolinguistics*, *014*(2), 283-294.